# Usoro igbo si egosi ụbara

**Andrew .C. Mgborogwu**
andymgborogwu@gmail.com
08037992717

**Ụmị edemede**
Ụbara bụ okwu e ji egosi na ihe a na-ekwu karịrị otu. Asụsụ niile dị n'ụwa a nwere usoro ha si egosi ụbara ha. Asụsụ Igbo dịka asụsụ ndị ọzọ nwere ụzọ e si egosipụta ụbara nke ya. Nchọcha a lebara anya n'ụzọ dị iche iche e si egosi ụbara n'asụsụ Igbo. Ngụ na-ekwu maka ole ihe dị n'asụsụ Igbo. Ụfọdụ ndị na-eche n'Igbo nwere ngụ dịka katigori keaha. Nke a na-ebute ọtụtụ nsogbu na ihe mgbagwoju anya n'ebe ndị na-amụ na ndị na-akụzi asụsụ Igbo nọ. Nke a bụ ihe kpalitere ime nchọcha n'isiokwu a. Mbunuuche nchọcha a bụ ịkọwa ihe bụ ngụ, ịchọpụta usoro dị iche iche Igbo si egosi ụbara. Usoro a gbasoro mee nchọcha a bụ nke nkọwa. Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ nke ndoko nkebiokwu. Nchọcha a gbadoro ụkwụ naanị n'asụsụ Igbo na igosi ụzọ o si egosi ụbara. Nwanchọcha gụrụ ọtụtụ akwụkwọ dị iche iche metụtara isiokwu a. A chọpụtara na Igbo enweghị ngụ dịka katigori keaha. Ya bụ na asụsụ Igbo anaghị egosipụta ụbara keaha site na mfekshọn nke aha.

**Mkpọlite**

Asụsụ bụ otu ụzọ pụtara ihe mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta. Ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ si egosipụta ihe dị ya n'obi. E wepụ asụsụ mmadụ agaghị ama ihe dị onye ọzọ n'obi. Ude (2019) kọwara asụsụ dịka otu n'ime njirimara agbụrụ ọ bụla nke mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta n'ụdị mkparịtaụka iji mee ka mbunuuche ha pụta ihe. Asụsụ ka mmadụ ji aghọta ma na-amatakwa ihe dị onye ọzọ n'uche. Ọ kọwara na ọ bụ asụsụ ka mmadụ na ibe ya ji ekwurịta okwu nke na e wepụ asụsụ, ọ ga-ara ahụ ịmata ihe mmadụ bu n'uche. Ọ bụrụ na asụsụ adịghị, amamihe na echiche niile mmadụ na-eche ga-atọ ya n'obi maka na o nweghị ụzọ ọ ga-esi mee ka ndị mmadụ mata ihe dị ya n'ime obi.

Ọ bụ asụsụ ka anyị ji ede ihe mmadụ nwere ike ịgụ ma ọ bụ gụọ nke onye ọzọ dere. ọ bụ site n'asụsụ ka ụfọdụ omenala anyị ka ji dịrị ndụ ruo taa. Maka nke a, ọ dị oke mkpa onye ọ bụla ịdị na-echekwa asụsụ ya maka na onye kpọọ ọba ya mkpọkọrọ, agbata obi ya ewere ya kpoo ntụ.

O nwere ụfọdụ ihe ndị dị iche iche a na-elebara anya dị n'asụsụ. Ihe ndị a gụnyere otu e si akpọpụta mkpụrụokwu, mpụtara mkpụrụokwu, iji mkpụrụokwu emebe ahịrịokwu nakwa mpụtara ahịrịokwu dị iche iche. Nke a mere e jiri nwee ogo dị iche iche na ntụle asụsụ ọ bụla. Ogo ndị ahụ bụ akpọmakpọ, ọdịdị mkpụrụokwu, usorookwu na echiche n'ihi na a na-ahụta asụsụ ka ihe dị n'obi mmadụ. Ọtụtụ ndị ọka n'asụsụ dị iche iche arụtụla aka n'atụtụ dị iche iche maka mmebere asụsụ dịka o si metụta asụsụ mba ụwa niile n'ihi na mmadụ dum na-asụ asụsụ. Ikekeonwu, Ezikeojiakụ, Ubani na Ugoji (1999) kọwara ụtọasụsụ dịka nkọwa na ọmụmụ iwu na-achịkwa asụsụ. O metụtara iwu na-achị ndokọ, nkọwa, njikwa, mkpọpụta na nghọta mkpụrụokwu na ndokwa ha n'ebe ha dabara n'usoro ndị nwe asụsụ ahụ ma marakwa ya nke ọma. Ụtọasụsụ n'ịchafụ bụ iwu na-achịkwa ndokọ ụdaasụsụ na mkpụrụokwu na ndokọ mkpụrụokwu n'usorookwu.

Ụtọasụsụ nwere katigori mkpụrụokwu na katigori nghọtaokwu. Otu n'ime katigori ndị a bụ ngụ. Ọtụtụ ndị odee edeela uche ha banyere ngụ n'asụsụ Igbo. Ume, Ugoji na Dike (1989) kọwara ngụ ma ọ bụ nọmba dịka katigori grama ma ọ bụ ụtọasụsụ. Ha kwuru na ọ bụ otu n'ime katigori nta ndị e ji akọwa mkpọaha. Ngụ na-akọwa maka mkpọolu, mkpọabụọ, mkpọatọ nakwa ụbara. Ihe e ji egosipụta mkpọolu, mkpọabụọ, mkpọatọ na ụbara n'asụsụ ndị nwere ngụ, bụ mgbakwụnye na mgbanwerịta ụdaume.

Ngoesi (2000) kọwara ngụ dịka katigori ụtọasụsụ nke e ji egosi ole ihe dị. Ọ bụrụ otu ihe, a kpọọ

ya mkpọolu. Ha karịa otu, a kpọọ ha ụbara. Ọ gara n'ihu kwuo na ebe a na-ezipụtakarị ngụ n'asụsụ Igbo bụ na nnọchiaha. Lee ọmụmaatụ ndị a:

| Ngụ Mkpọolu | Ụbara |
|---|---|
| mụ, mmụ, m | anyị |
| gị, ngị, i, ị | unu, ụnụ |
| ya, ọ, o | ha |

Demson (2008) kwuru na asụsụ nwere ngụ dịka asụsụ Bekee na-eji mgbakwụnye na mgbanwerịta mgbochiume ma ọ bụ ụdaume egosipụta ngụ. Lee ihe ịma atụ ndị a n'asụsụ Bekee:

| ***Singular*** | ***Plural*** |
|---|---|
| *man* | *men* |
| *child* | *children* |
| *table* | *tables* |
| *baby* | *babies* |

N'Igbo izugbe, e nweghị usoro doro anya e si egosi ụbara kama, e nwere ụzọ dị iche iche e si ezipụta na aha dị ụbara dịka anyị ga-eleba anya n'ihe ọmụmụ a.

Ebumnuuche nchọcha a bụ ileba anya n'usoro ndị Igbo si egosipụta ụbara n'asụsụ ha maka na asụsụ dị iche iche n'ụwa a nwere usoro ha si egosipụta ụbara nke ha. Ya bụ edemede a na-ekwu kpọmkwem ụzọ ndị Igbo si ezipụta ihe dị ọtụtụ; mkpụrụokwu ndị Igbo ji egosipụta ihe karịrị otu ihe.

A gbasoro usoro nkọwa mee nchọcha a. Nwanchọcha nwetara ihe o jiri mee nchọcha site n'ịgụ ọtụtụ akwụkwọ dị iche iche lebara anya n'ihe ndị yitere isiokwu a. Atụtụ nchọcha bụ nke ndokọ nkebiokwu. Nchọcha a gbadoro ụkwụ naanị n'asụsụ Igbo n'ihe gbasara izipụta ngụ ya. Ọ chọpụtara na Igbo enweghị ngụ dịka katigori keaha ya bụ na asụsụ Igbo anaghị egosipụta ụbara site na mflekshọn nke aha.

**Ntụlegharị agụmagụ**

N'ebe a, nwanchọcha lebara anya na ngụ na edemede ndị e derela banyere ya. O lebakwara anya n'atụtụ e jiri mee nchọcha a.

**Ngụ na ihe ndị e merela banyere ụbara**

Ngụ bụ katigori nghọtaasụsụ dị n'ime ụtọasụsụ Igbo. Ngụ dịka katigori ụtọasụsụ Igbo bụ ihe ndị mmadụ na-eche na ọ dị fecha fecha mana ọ na-adị n'ụdị dị iche iche. Otu e si nwee asụsụ dị iche iche na mba ụwa niile, otu a ka e sikwa nwee ụdị ngụ dịkwa iche iche n'asụsụ ndị ahụ. Na nkọwa ya Corbett (2004) kwuru na ngụ nwere ọtụtụ ihe mgbagwoju anya dị na ya ma e jiri nwayọ lebaa ya anya.

Nke a mere ihe banyere ngụ ji eweta ọtụtụ nsogbu n'ihi na ngụ akwụsịghị naanị na mkpọolu na ụbara n'asụsụ ụfọdụ.

Ngụ na-adabere n'aha ma ọ bụ na nnọchiaha were ezipụta ole ihe a na-ekwu maka ya dị, ma ihe a na-ekwu maka ya, ọ dị otu ma ọ bụ karịa. Demson (2003) kwuru na asụsụ Igbo enweghị usoro doro anya o si egosi ụbara. Ọ sịrị na kama e nwere ụzọ dị iche iche e si ezipụta na aha dị ụbara dịka:

ụmụ + mmadụ → ụmụ mmadụ
ụmụ + ọkụkọ → ụmụ ọkụkọ

ndị + mmadụ → ndị mmadụ
ndị + obodo → ndị obodo .

Ọ gara n'ihu kwuo na ihe e ji ezipụta ngụ na nnọchiaha bụ mgbanwe okwu nke, na-apụta ihe na pesin na pesin. Ịma atụ:

**Ngụ na Pesin**

| Ngụ | Pesin | Nnọchiaha |
|---|---|---|
| Mkpọolu | Onye nke mbụm, | mmụ, mụ, a, e |
| | Onye nke abụọ | gị, ngị, i, ị |
| | Onye nke atọ | ya, ọ, o |
| ụbara | Onye nke mbụanyị | |
| | Onye nke abụọ | ụnụ, unu |
| | Onye nke atọ ha | |

N'ọmụmaatụ a, I lezie anya, ị ga-ahụ na e nwere mpesin. Ha dị naanị abụọ n'ọnụọgụgụ. Ha bụ: 'a' na 'e'. Ndị ọzọ bụcha pesin. Dịka o siri dị, ngụ na-adabere n'aha ma ọ bụ na nnọchiaha ezipụta ole ihe a na-ekwu maka ya dị. Ọ bụrụ otu, a kpọọ ya mkpọolu mana ọ karịa otu, a kpọọ ya ụbara. A na-enwe nnukwu ndịiche mgbe ihe a na-ekwu maka ya dị naanị otu na mgbe ọ dị ọtụtụ.

Nkwekọrịta n'etiti isiahịrị na ngwaa bụ otu ihe pụtara ihe n'iwu na-achịkwa usoro ndokọ mkpụrụokwu, nkebiokwu, nkebiahịrịokwu na ahịrịokwu n'asụsụ Bekee. A na-ezipụta ya dịka iwu a na-agbaso n'izipụta mmekọrịta na-adị n'etiti akụkụ usorookwu na ibe ya. ọ bụ ọdịnaala ụtọasụsụ n'asụsụ ụfọdụ.

Crystal (2008) webatara ụdịdị ngụ abụọ ọzọ e nwere, mkpọatọ na olenole, iji kwadokwa na ngụ akwụsịghị naanị na mkpọolu na ụbara. Ngụ nwekwara ụdịdị ndị ọzọ n'asụsụ mba ụwa ụfọdụ. N'ịkọwapụta nkwekọrịta na otuobi dị n'asụsụ Bekee, Crystal (2008) nyere ọmụmaatụ ndị a:

*boy* - *singular* (mkpọolu)
*boys* - *plural* (ụbara)
*He walks* - *(singular)* mkpọolu
*They walk* - *plural* (ụbara)

Ọmụmaatụ ndị a gosipụtara nke ọma ole ihe a na-ekwu maka ya dị. Mana nkọwa n'ụdị lingwistiiki wepụtara nsogbu nwere ike ịdapụta n'usoro nkwekọrịta na otuobi a kwu ọtọ ngụ si arụ ọrụ. Iji maa atụ, n'asụsụ Bekee, otu aha nwere ike ịdị ka mkpọolu mana ọ na-egosi ọtụtụ ma ọ bụ ụbara ihe dịka n'ahịrịokwu a:

*The committee have decided.*

Aha nwekwara ike ịdị ka ụbara mana ọ na-ezipụta otu ihe. Ịma atụ:

*Mathematics is a difficult subject.*
*The news is interesting.*
*AIDS is a deadly disease.*
*Linguistics is the scientific study of human language.*

Ọnọdụ dị otu a na-ebute nghọtahie na ihe mgbagwoju anya n'ihe gbasara ngụ n'asụsụ Bekee. N'asụsụ Bekee, ngụ nwere mkpọolu na ụbara, asụsụ Grik na Sanskirt tinyekwuru mkpọabụọ n'ụdị ngụ ha nwere.

O nwekwara ndị ọka n'asụsụ nwere nkwenye banyere ngụ na ọnọdụ ya n'asụsụ. Nkwenye ahụ ha nwere banyere ngụ na ọnọdụ ya bụ naanị n'asụsụ ụfọdụ ka e nwere ike ịhụ ya mana n'ọtụtụ asụsụ ndị ọzọ dị na mba ụwa, nkwenye ha ahụ adabachaghị.

Okonkwo (1974) kọwara na e nwere ngwaa Igbo dị n'ụdị ụbara n'ọnatarachi ha, ya bụ na e jikarị ụdị ngwaa ndị ahụ ezipụta ụbara n'asụsụ Igbo. O kwuru na oge mkpụrụokwu Igbo sitere na mkpọolu gbanwee n'ụbara a naghị enwekebe mgbanwe pụtara ihe na mkpụrụokwu ahụ. Nke a pụtara na ngụ n'asụsụ Igbo dịwaga n'ụzọ na kwa ụdị dị iche iche.

Na nkọwa Emenanjo, Okolie na Ekwe (1985), na Ngoesi (2004), ha kwuru na ngụ bụ otu n'ime katigori ụtọasụsụ e ji egosi ole ihe dị. Ha kwuru na ebe a na-ezipụa ngụ n'asụsụ Igbo bụ na nnọchiaha dịka ọmụmaatụ ndị a ha nyere:

0

| Ngụ | Pesin | |
|---|---|---|
| Mkpọolu | Onye mbụ | m, mụ |
| | Onye abụọ | i, ị, gị |
| | Onye atọ | o, ọ, ya |
| ụbara | Onye mbụ | anyị |
| | Onye abụọ | ụnụ/unu |
| | Onye atọ | ha |

Ngoesi (2004) gakwuru n'ihu kwuo na ụzọ ọzọ e nwere ike isi zipụta ụbara n'asụsụ Igbo bụ itinye ọnụọgụgụ, itinye mkpokọta, itinye nsokwunye, itinye ụmụ, ndị, ọtụtụ na itinye ngwaa ụfọdụ dịka jupụtara, kpote, chịta, nupụta. Ọ nabatara na ngụ bụ katigori ụtọasụsụ nke e ji egosi ole ihe dị n'asụsụ Igbo, nke na-apụtakarịcha ihe na nnọchiaha na kwa pesin na ebe ndị ọzọ ga.

Ikekeonwụ, Ezikeojiakụ, Ụbani na Ugoji (1999) kwuru na ngụ sokwa bụrụ katigori ahụ e si na mgbakwụnye ezipụta mkpọolu na ụbara n'asụsụ ndị nwere ya dịka Frenchị, Grik na Latin. Ha kọwara na ngụ na-emetụtakwa nkọwaaha, ngwaa na nkwuwa n'ụdị asụsụ ahụ.

Demson (2008) kwuru na ngụ bụ otu n'ime katigori ụtọasụsụ nta e ji akọwa mkpọaha. Ngụ na-akọwa maka mkpọolu na ụbara.

Egbuna na Ibeh (2021) na nchọcha ha mere banyere 'Ngụ n'Asụsụ Igbo kwuru na ngụ bụ otu n'ime katigori nghọtaasụsụ e nwere n'ụtọasụsụ Igbo nke na-adabere na mkpọaha na kwa ngwaa were na-arụ ọrụ izipụta nghọta. Ha gbasoro usoro nkọwa wee mee nchọcha ha. Mbunuuche nchọcha ha bụ ịkọwa ngụ, ịchọpụta ụzọ dị iche iche asụsụ Igbo si ezipụta ngụ. Ha jiri atụtụ ndokọokwu wee mee nchọcha ha. Ha chọpụtara na ngụ bụ katigori nghọta okwu n'asụsụ Igbo. Nchọcha ha bara uru n'ebe nchọcha nke a dị n'ihi na ha na-ekwu maka ngụ n'asụsụ Igbo. Nchọcha nke a lebara anya n'usoro asụsụ Igbo si egosipụta ngụ n'asụsụ ya. Nchọcha nke a chọpụtara na asụsụ Igbo enweghị ngụ dịka katigori keaha. Ya bụ na asụsụ Igbo anaghị egosipụta ụbara site na mflekshọn nke aha.

Nchọcha ha dịtụ iche n'ebe nchọcha nke a dị n'ihi na ha lebara anya naanị na ngụ n'asụsụ Igbo ebe nchọcha nke a lebara anya n'ụbara na ngụ n'asụsụ Igbo. Ha ji atụtụ ndokọokwu mee nchọcha ha. E ji atụtụ ndokọ nkebiokwu mee nchọcha nke a.

Asonye (2006) chọpụtara na naanị aha nwere ụbara n'asụsụ Igbo bụ nwa nke ụbara ya bụ ụmụ. O kwuru na e wezụga nke a aha ndị ọzọ n'asụsụ Igbo anaghị enwe ụdị ndịnotu na ụdị ndịụbara.

Adejoh na Ugwu (2020) mere nchọcha n'ụzọ e si enweta ụbara n'asụsụ Ufia dị na Steeti Benue. Ha gbasoro usoro nkọwa wee mee nchọcha ha. Ha chọpụtara na asụsụ Ufia nwere ụzọ ise o si emebe ụbara ha. Nchọcha a bara uru na nchọcha nke a n'ihi na ha abụọ na-ekwu maka usoro e si emebe ụbara n'asụsụ. Ebe ha abụọ siri ditụ iche bụ na Adejoh na Ugwu lebara anya n'imebe ụbara n'asụsụ Ufia ebe edemede nke a na-ekwu maka usoro e si egosi ụbara n'asụsụ Igbo.

Ọzọ, ha ji asụsụ Bekee mee nchọcha ha ebe e mere nchọcha nke a n'asụsụ Igbo. O nweghị atụtụ ọ bụla ha ji mee nchọcha ha. Nwanchọcha ji atụtụ ndokọ nkebiokwu mee nchọcha nke a. Adejoh na Ugwu chọpụtara na ihe e ji egosipụtakarị ụbara aha n'asụsụ ụfịa bụ site n'ịgbakwụnye nganihu

mgbochiume na kwa mgbanwe na mgbanwerịta ụdaume. Asụsụ Igbo anaghị eji mgbanwe na mgbanwerịta ụdaume egosipụta ụbara aha ya.

Anagbogu (2005) mere nchọcha n'ụzọ e si enweta ụbara n'asụsụ Koring. ọ chọpụtara na ọ dị ụzọ ise asụsụ a si emebe ụbara ya.

Na nchịkọta, ngụ bụ katigori ụtọasụsụ na-akọwa mkpọaha n'ozuzu oke. Ngụ na-ekwu maka mkpọolu na ụbara. Ya bụ e ji ya ekwu ma mkpọaha ọ dị otu ma ọ bụ karịa otu. ọ bụrụ otu a kpọọ ya mkpọolu, ọ karịa otu, a kpọọ ya ụbara.

**Atụtụ nchọcha**

Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ nke ndọko okwu nke Chomsky (1957). Atụtụ a bụ nke o chere ka mma e ji akọwa ụtọasụsụ n'akwụkwọ ya ọ kpọrọ *syntactic structure*. Aha ọ kpọrọ atụtụ ahụ bụ atụtụ ndọko nkebiokwu. Atụtụ a nyere aka ịkọwapụta asụsụ ọ bụla. ọ bụ atụtụ usoro ndeghari ụtọasụsụ nke wepụtara usoro a ga-esi ekewasị ahịrịokwu iji wepụtachaa usoro ndokọ niile dị na ya. N'ihi nke a, Chomsky mapụtara usoro ndọko okwu a:

S → NP, Aux ma ọ bụ INFL, VP (Adjunct). Nke a na-akọwa na ahịrịokwu ọbụla bụ 'S' ga-apụta nkebiokwu kemkpọaha ma ọ bụ aha (NP) na nkebiokwu kengwaa (VP) ebe ọdụahịrị (Adjunct) nwere ike ịdị ya ma ọ bụ ghara idi ya.

Lyons (1968) kọwara na ọmụmụ asụsụ bidoro n'ala ndị Grik tupu ọbịbịa Kraịst. Mgbe ahụ e nwere mgbagha dị n'etiti ndị filọsọfi na ndị Grik gbasara ihe na-achị ụwa. ọ bụ osinachi na-achị ka ọ bụ 'gburugburu' na-achị.

**Ụzọ dị iche iche Igbo si egosipụta ụbara n'asụsụ ya**

Asụsụ Igbo enweghị ụbara katigori keaha. Ya bụ n'asụsụ Igbo, aha anaghị enwe mfleksḥọn. Ihe ọ pụtara bụ na asụsụ Igbo anaghi egosi ụbara nke aha n'usoro mfleksḥọn. Asụsụ Igbo anaghị eji mfleksḥọn egosi ụbara nke aha. Mfleksḥọn bụ mgbanwe ọdịdị mkpụrụokwu. Mgbanwe ọdịdị mkpụrụokwu a anaghị eme ka ọ ghọọ nkejiasụsụ ọzọ. Ọ bụrụ na mkpụrụokwu ahụ bụ ngwaa, mgbanwe ọdịdị ya agaghị eme ka ọ bụrụzie aha ma ọ bụ nkejiasụsụ ọzọ. Ọ ga-abụkwa ngwaa. Iji maa atụ:

| **Isingwaa** | **mkpụrụokwu e si na ya nweta** |
|---|---|
| si- | sie, siri, siwe |
| ga- | gaa, gawa, gara |

N'ọmụmaatụ ndị a, 'si', na 'ga' bụcha isingwaa e si na ha nweta 'sie', 'siri', 'siwe', 'gaa', 'gawa', na 'gara'. Mana mgbanwe ọdịdị isingwaa ndị a gbanwere emeghị ka mkpụrụokwu ndị ahụ e si na ha mepụta gharazie ịbụ ngwaa. Asụsụ Igbo anaghị enweta ụbara aha ya site n'ịgbakwụnye nganihu ma ọ bụ nsonazụ.

Ume, Ugoji na Dike (1989) kwuru na Igbo agbaochie na-eji mgbanwe nganiihu egosipụta ụbara okwu nchara.

N'asụsụ Igbo ọhụrụ, anaghịzi eji nganihu egosi ụbara aha. Nke a mere anyị ji eleba anya n'ụzọ dị iche iche asụsụ Igbo si egosipụta ụbara.

**(i) Iji ngwaa ndị nwere mpụtara ụbara**

Asụsụ Igbo na-eji ụfọdụ ngwaa egosipụta ụbara. Lee ngwaa ndị a nwere mpụtara ụbara: 'chi' 'kpo' 'ju' 'kpote' 'bu'.

| Ahịrịokwu nwere ngwaa mkpọolu | Ahịrịokwu nwere ngwaa ụbara |
|---|---|
| Wetara m ji ahụ. | Chịtara m ji ndị ahụ. |
| Obi ji akwụkwọ n'aka. | Obi chị akwụkwọ n'aka. |
| O ji ụdara abịa. | O kpo ụdara abịa. |
| Ego dị n'akpa m. | Ego juru n'akpa m. |
| Wetara m ube. | Kpotere m ube. |
| Obi ji ụdara bịa | Obi bu ụdara bịa |

N'ahịrịokwu ndị a e nyere, ngwaa ndị a: 'wetara', 'ji', 'dị' dị n'ahịrịokwu nke 'A' na-egosi na aha ndị ahụ dị na mkpọolu ebe ngwaa 'chịtara' 'chị' 'kpo' 'juru' na 'kpotere' 'bu' dị n'ahịrịokwu nke 'B' na-egosi na aha ndị a dị n'ụbara. Ụbara ha apụtaghị site na mflekshọn/mgbakwụnye ma ọ bụ mgbanwe mkpụrụedemede ọ bụla n'ime ha kama ọ bụ site na ngwaa ndị a nwere mpụtara ụbara 'chịtara', 'chị', 'kpo', 'juru' na 'kpotere' 'bu' dị na ha gosiri na ha dị ụbara.

**(ii) Iji ọnụọgụgụ**

Ụzọ ọzọ Igbo si egosipụta ụbara aha bụ site n'ọnụọgụgụ. Asụsụ Igbo na-eji ọnụọgụgụ egosipụta ole ihe dị site n'itinye ma ọ bụ ịgbakwụnye aha a na-ekwu maka ya ọnụọgụgụ. Lee ọmụmaatụ ndị a:

| Mkpọolu | Ụbara |
|---|---|
| otu ewu | ewu abụọ |
| otu ụlọ | ụlọ anọ |
| otu nwoke | nwoke ise |
| otu mma | mma isii |

N'ọmụmaatụ ndị a, ọ bụ ọnụọgụgụ ka e jiri gosi na ihe a na-ekwu maka ya bụ aha ndị a kpọrọ karịrị otu ma ọ bụ na ha dị ụbara. Mgbe Igbo na-eji ọnụọgụgụ egosipụta ụbara nke aha, a na-enwe nnọgharị ọnọdụ nke mkpọolu na ụbara aha. Na mkpọolu ọnụọgụgụ na-ebute ụzọ aha ọ na-akọwa ana-esote ya dịka: 'otu ewu', 'otu ụlọ', otu nwoke', 'otu mma'. Ma mgbe a na-egosipụta ụbara aha, aha na-ebute ụzọ, ọnụọgụgụ na-ekwu ole ọ dị a na-esote ya dịka 'ewu abụọ', 'ụlọ anọ', 'nwoke ise', 'mma isii'. Ikwu 'abụọ ewu', 'anọ ụlọ', ise nwoke', isii mma' adabaghị n'usoro ọsụsụ na odide asụsụ Igbo.

**(iii) Iji mkpọkọta na aha ndị nwere mpụtara**

Asụsụ Igbo na-ejikwa mkpokọta nke aha egosipụta ụbara dịka dum, niile, ọtụtụ.

| A | B |
|---|---|
| **Ahịrịokwu mkpọolu** | **Ahịrịokwu ụbara** |
| A chọrọ mmadụ | A chọrọ mmadụ dum. |
| Wetara m efe | Wetara m efe niile. |
| Nye m oche | Nye m ọtụtụ oche. |

Ahịrịokwu ndị dị na 'A' na-egosi aha dị na mkpọolu ebe 'dum', 'niile' na 'ọtụtụ' dị n'ahịrịokwu 'B' na-egosi na aha ndị a kpọrọ dị n'ụbara.

**(iv) Iji nsokwunye**

Asụsụ Igbo na-ejikwa nsokwunye egosipụta ụbara keaha. Demson (2008) kwuru na nsokwunye bụ okwu nwere ike iso okwu niile ma e wepụ mbuụzọ. Mgbe nsokwunye na-esote ngwaa, a ga-edekọ ya

na ngwaa ahụ ọnụ, mana mgbe ọ bụla ọ na-esote okwu ọzọ abụghị ngwaa, a ga-edesa ha edesa. E ji nsokwunye egosipụta ụbara keaha n'asụsụ Igbo dịka 'nụ', 'cha', 'si', 'ga'

| | A | B |
|---|---|---|
| **Nsokwunye** | **Ahịrịokwu nke mkpọolu** | **Ahịrịokwu nke ụbara** |
| nụ | Bịa ka anyị mezie. | Bịanụ ka anyị mezienụ |
| cha | Oche a bụ nke m. | Oche a cha bụ nke m. |
| si | Uwe a bụ nke ya. | Uwe a si bụ nke ya |
| ga | Lee osisi. | Lee osisi ga. |

N'ahịrịokwu ndị nọ na 'B' nsokwunye 'nụ', 'cha', 'si', na 'ga' bụ ndị a kara ihe n'okpuru na-egosi na aha ndị ahụ dị n'ụbara.

**(v) Iji mkpọnabụọ**

A na-ejikwa ikwu ihe ugboro ugboro egosipụta ụbara aha n'asụsụ Igbo dịka 'osisi osisi' 'nkapị nkapị', akwa akwa.

| A | B |
|---|---|
| **Ahịrịokwu mkpọolu** | **Ahịrịokwu ụbara** |
| Osisi dị n'ọhịa a. | Ọhịa a bụ osisi osisi. |
| Nkapị dị n'ụlọ a. | Ụlọ a bụ nkapị nkapị. |
| Akwa dị n'akpa ya. | Akpa ya bụ sọ akwa akwa. |
| Ọkpụkpụ dị n'anụ a. | Anụ a bụ ọkpụkpụ. |

Mkpụrụokwu ndị ahụ e kwuru ugboro ugboro n'ahịrịokwu ndị dị na 'B' na-egosi ụbara keaha.

**(vi) Iji aha ndị nwere ụbara na mpụtara ha**

E jikwa aha ndị nwere mpụtara ụbara egosipụta ụbara n'asụsụ Igbo dịka: ụmụ, ndị:

| | A | B |
|---|---|---|
| **Mkpụrụokwu** | **Ahịrịokwu mkpọolu** | **Ahịrịokwu ụbara** |
| Ụmụ | Lee nwa a. | Lee ụmụ a. |
| Ndị | Onye a bụ nwoke. | Ndị a bụ nwoke. |
| Ụmụ | Ọ mụrụ otu nwa. | Ọ mụrụ ụmụ atọ. |
| Ndị | Otu onye bịara. | Ndị mmadụ bịara. |

**(vii) Iji nnọchiaha**

Asụsụ Igbo na-ejikwa nnọchiaha egosipụta ụbara keaha.

**Nnọchiaha**

| A | B |
|---|---|
| **Mkpọolu** | **Ụbara** |
| m | anyị |
| gị | ụnụ/unu |
| ya | ha. |

| Ahịrịokwu Mkpọolu 'A' | Ahịrịokwu ụbara 'B' |
|---|---|
| Lee dị gị. | Lee dị ụnụ/unu. |
| Nne m bịara ebe a. | Nne anyị bịara ebe a. |
| ụlọ a bụ nke ya. | ụlọ a bụ nke ha. |
| 'ụnụ/unu, 'anyị' na 'ha' dị n'ahịrịokwu | 'B' na-egosi ụbara keaha. |

**Nchịkọta**

Anyị egosila na Igbo dịka mba ndị ọzọ n'ụwa nwere ụzọ ha si egosipụta ụbara keaha ha. Igbo anaghị egosipụta ụbara keaha dịka asụsụ mba ndị ọzọ si egosipụta ụbara keaha n'asụsụ ha. Ụzọ ndị a gụnyere iji ngwaa ndị nwere mpụtara ụbara, iji ọnụọgụgụ, iji mkpokọta na aha ndị nwere mpụtara, iji nsokwunye, iji mkpọnabụọ, iji aha ndị nwere ụbara na mpụtara ha na iji nnọchiaha.

A chọpụtara na Igbo enweghị ngụ dịka katigori keaha. Ya bụ na asụsụ Igbo anaghị egosipụta ụbara site na mflekshọn keaha.

Nchọcha a ga-abara ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi uru ịmata na asụsụ Igbo enweghị ngụ dịka katigori keaha. Ọzọ, na mkpụrụokwu ndị ahụ a na-ahụta ma ọ bụ e ji egosipụta ụbara n'asụsụ Igbo abụghị katigori keaha dịka ọ dị n'asụsụ ndị ji ngụ egosipụta ụbara.

**Edensibịa**


Adejoh, M.O. & Ugwu, A. (2020). Pluralisation in the Ufia Language. *A Journal of the National Institute for Nigerian Languages*, Aba. Vol. 4 No. 2 pp 151 – 158.

Anagbogu, P.N. (2005). Pluralisation in Koring. *Awka Journal of Linguistics and Languages*. No. 1 Pp 132-14.

Asonye, U.M. (2006). *Ntọala Usoroasụsụ Igbo*. Ibadan: Gold Press.

Chomsky, N. (1957). *Syntactic Structure*. The Hague: Mouton.

Corbett, G.C. (2004). *Number.* Uk: Cambridge University Press.

Crystal, D. (2008). *A Dictionary of Linguistics and Phonetics ed.* Malden: Blackwell.

Demson, C.F. (2008). *Igbo ọgbaraọhụrụ Maka Nkụzi na Ọmụmụ Asụsụ na Ụtọasụsụ Igbo*. Aba: C. Dems Book.

Egbuna, A.E. & Ibeh, F.U. (2021). Ngụ n'Asụsụ Igbo. *Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies*. Vol. 5 No. 2 pp 56-66.

Emenanjo, E.N., Okolie, O.O. & Ekwe, B.U. (1985). *Igbo Maka Siniọ Sekendịrị I.* Ibadan: University press.

Ikekọnwụ, C., Ezikeojiakụ, P.A., Ubani, A. & Ugoji, J. (1999). *Fonoloji na Grama Igbo*. Ibadan: University Press.

Lyons, J. (1968). *Introduction to Theoretical Linguistics.* London: Cambridge University Press.

Ngoesi, M.C. (2004). *Nchịkọta Ihe Ọmụmụ nke Asụsụ Igbo maka Ule Siniọ Sekọndịrị.* Nkpor: Optimal Press.

Okonkwo, M.N. (2019). Mmepụta ndị iche dị n'ụda olu Igbo Wawa n'ịkanye akara ụda olu n'okwu Igbo Izugbe n'ogo siniọ sekọndịrị na steeti Ebonyi na Enugwu. *Ekwe Jonal* 12(2) 1-19.

Ume, I.A.O., Ugoji, J.U. & Dike, G.A. (1989). *Ụmị Nkọwa Ụtọasụsụ Igbo*. Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers.